# Mayor's Office of Immigrant Affairs

# Ụlọ Ịkpe Mbata na Ọpụpụ 101

Igbo | Igbo

N'ime **ụlọ ikpe mbata na ọpụpụ**, ị ga-enwe ohere ichebe okwu gi n'ihu onye ikpe na-ahu maka mbata na ọpụpụ ma gosi ihe mere ekwesịrị inye gị ikike ịnọgide na United States. E merie gi n'ikpe n'ụlọ ikpe mbata na ọpụpụ a, Ị nwere ike itinye mkpesa.

**E nwere ike ibula gi, ma ọ bụrụ:**

- e merie gi n'ụlọ ikpe mbata na ọpụpụ ma na ịriọghi aririọ,
- iriọrọ aririọ ma daa.

## Onye ga-anọ n'ụlọ ikpe mbata na ọpụpụ?



- A ga enwe onye **Ikpe n'ahụ maka Mbata na Ọpụpụ onye** ga-ekpebi ma a ga ekwe gi i nọ na United States.
- A ga-enwe **onye ọka iwu** onye na-arụrụ ndi gọọmenti ọrụ. Ọrụ ha bụ ịnọchịte anya ndi gọọmenti United States. Ha adighi arụrụ gi ọrụ.
- **Ọ bụrụ na i nwere onye ọka iwu**, ana ahapụ ha ka gi na ha nọrọ n'ụlọ ikpe mgbe niile, ha nwere ike ikpọ gi ma jee leta gi.

**Cheta: Ndi gọọmenti agaghi enye gi onye ọka iwu, mana i nwere ike i chọrọ onye ọka iwu ga-anọchite anya gi n'ụlọ ikpe.**

## Ichọ ubọchi ụlọ ikpe mbata na ọpụpụ gi

- Ichọ ubọchi ikpe gi, i ga-achọ iji akara-A (A-number) gi. (Ihe atụ: A 000-000-000). Ọ bụ ndi gọọmenti n'enye akara a ma na ọ na-egosi n'akwụkwọ mbata na ọpụpụ na mmbata gi niile.
- Lelee ozi gbasara ikpe gi site n'iji usoro Akụrụngwa Ozi Iwu akpaaka (Automated Case Information system). N'okpuru bụ ụzọ abuọ:
  - Kpọọ ekwenti na 1-800-898-7180. Tinye akara-A gi ma soro ntuzi aka ndi rụrụ ya.
  - Gaa n'ihu akwụkwọ peeji weebụ: https://acis.eoir.justice.gov/en/. Pinye akara-A gi n'ime igbe ọchichọ ma pia "Enter" (Banye).

**Akwụkwọ ozi a n'enye naani ozi izugbe. Ọ bụghi ndumọdu gbasara ịwu. Kpọtụ onye ọka iwụ maka ndumodu gbasara iwu.**

NYC Mayor's Office of Immigrant Affairs

# Ụlọ Ịkpe Mbata na Ọpụpụ 101

Igbo | Igbo

## Igbanwe ikpe ihunihu ka ọ bụrụ ikpe n'ịntanetị/ekwenti

Ọ bụrụ na i chọrọ igbanwe ikpe mbata na ọpụpụ ihunihu gi ka ọ bụrụ ikpe ekwenti ma ọ bu n'ịntanetị, i ga-etinyeriri aririọ n'ụlọ ikpe. Ọ di mkpa inyefee aririọ ahu n'oge tupu ụbọchị nzukọ ikpe nke na-esote. Site n'ịme nke a i ga-echeta ị **kpọtụ onye ọka iwu**.



- Ndumodu gbasara iwu kwesiri i bia site naka onye ọka iwu, onye ga-enyere gi aka kwado ma hazie akwụkwọ ndị kwesịrị.
- I ga achọ itinye akwụkwọ Arịrịọ iji Gbanwee Usoro Inu ikpe (Motion to Change Hearing Format) n'ụlọ ikpe. Onye ikpe mbata na ọpụpụ ga enyocha mkpesa ahu ma gwazie gi ma ọ bụ onye ọka iwu gi gbasara ihe ekpebiri.
- Anabata mkpesa ahu, inụ ikpe ahu ga bụ abụ n'ịntanetị; ma anabataghi ya, inụ ikpe ahu ga-abụ n'ihinihu dika osi bụrụ.

## Ichọta Onye Ọka Iwu.

N'ọnwa ndi n'adibeghi anya, enwere mkpesa gbasara ihe mmanye nke mbata na ọpụpụ n'ime ụlọ ikpe maka mbata na ọpụpụ ndị mmadụ. I ga-achọ ka inwe atumatu etinyere ma ọ bụrụ na ejidere gị. Ọ bụrụ na ị nwere ajụjụ, kpọtụ onye ọka iwu.

**Maka enyemaka iwu mbata na ọpụpụ mba efu nke nzuzo, kpọọ Nọmba Nkwado Iwu Mbata Ọfịs Onyeisi Obodo Maka Ọrụ Ndị Na-abata (Mayor's Office of Immigrant Affairs, MOIA):**

## 1-800-354-0365

Site na Monde ruo Fridee, n'elekere itoolu nke ụtụtụ ruo elekere isii nke mgbede (9AM ruo 6PM)

Ntugharị asụsụ di ya.

Ụlọ ikpe mbata na ọpụpụ ọ bula nwere ndepụta ọrụ iwu mbata na ọpụpụ nke efu ma ọ bụ ọnụ ala di nso.

Nyochaa koodu QR ka ihu ndepụta ọrụ nke efu di nso n'ụlọ ikpe gi n'ọdiniihu ma ọ bụ jee na: www.justice.gov/eoir/list-pro-bono-legal-service-providers

**Akwụkwọ ozi a n'enye naani ozi izugbe. Ọ bụghi ndumọdu gbasara ịwu. Kpọtụ onye ọka iwụ maka ndumodu gbasara iwu.**